# REBEKA OTÙ ỤDỊ NWUNYE ỌHỤỤ NKE KRAIST

**Jenesis 24:34-67**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 13 - Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ka ayi ñuria ọñu, ka obi nātọ kwa ayi utọ nke-uku, ka ayi were kwa otuto nile nye Ya: n'ihi na ọlulu-nwunye nke Nwa-aturu ahu abiawo, nwunye-Ya edoziwo kwa onwe-ya" (Nkpughe 19:7).**

## I Orù Abraham Ziriozi Ọ bị ara

1. Ọ kọrọ banyere Aisak, nwa Abraham, na ihe nketa nke ekwere ya na mkwà, Jenesis 13:14, 15
2. Enyeworị Elieza ọlụ nke ịchọtara Aisak ezi nwunye, Jenesis 24:37-41
3. Elere ya ule n'akụkụ olulummiri ahụ, o wee mee nkeọma, Jenesis 24:42-46; Ndị Rom 12:1
4. Eyikwasịrị nwanyị ahụ agaalụ ọhụụ ihe ịchọmma, Jenesis 24:47, 48

## II Ọkpụkpọ̀òkù Azara

1. Elieza kwuruokwu nke ime ihe niile na nrọrọ nke ha, Jenesis 24:49; Nkpughe 22:17
2. Enyere Rebeka ohere ịrọrọ, Jenesis 24:50-58; Aisaia 1:19
3. Enyere èzínaụlọ ahụ onyinye dị icheiche, Jenesis 24:53
4. Rebeka natara ngọzi niile eji sị ya gaa nkeọma, wee bulie ijè iru èzínaụlọ ọhụụ ya, Jenesis 24:59-61

## III Nzute Nke Aisak Na Rebeka

1. Aisak naèchèrè nwunye ọhụụ ya na mgbe anyasị, mgbe o jere n'akụkụ ubi ịtụgharị uche, Jenesis 24:62, 63; Zekaraia 14:7; Matiu 25:10
2. Rebeka jikeere izute onye ahụ náalụ nwunye ọhụụ, Jenesis 24:64, 65; Nkpughe 19:7
3. Ha zutere, Jenesis 24:66, 67; 1 Ndị Tesalọnaika 4:16-18; Matiu 24:26-28

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Ihe Nketa Anyị Nime Kraist

"JEHOVA agọziwo kwa onye-nwem nke uku; ọ wee di uku: Ọ nyewo kwa ya igwè ewu na aturu na igwè ehi, na ọla-ọcha na ọla-edo, na orù-ndikom na ndinyom nēje ozi, na kamel na inyinya-ibu di ọtutu". Abraham bụ nwoke ukwu náachị èzínaọlụ nwere ọtụtụ narị ndịorù, ma náání otù onyenketa ka o nwere, nke bụ́ Aisak. Ụdị nsọpụrụ dị añaa ka agaenye onye ahụ ọ gaalụ, ha abụọ ewee bụkọọ ndị nketa nke ihe niile o nwere!

Ọ bụ ezie na Abraham nwere mkwà náadị ebighịebi, ma ọlaọcha na ọlaedo ya, na igwè anụụlọ dị icheiche, bụ ihe náadịghị adịgide, bụrụ kwa ihe ọ gaarapụ mgbe náadịghị anya. Agaghị eji àkụ̀ niile na nsọpụrụ niile nke enyere nwunye nwa ya tụnyere nsọpụrụ agaenye ndị ahụ n'efu bụ́ ndị gaemezu ihe niile nke gaeme ka ha kwesị ịbụ nwanyị anaalụọhụụ nke Kraist. Chéé uche ụdị ebube agaekpughe mgbe ụmụ Chineke gaapụta ìhè ewee kwupụta na ha bụ "ndị-nketa nke Chineke, na ndị ha na Kraist nēkekọ" (Ndi Rom 8:17). Ihe niile ekèrèèkè naasụkọ ude nime ahụhụ na nchégbu, náechère oge ahụ agaekpughe Nwanyi anaalụọhụụ nke Kraist.

### "Mazuru Mma"

Jọn onyeahụrụn'anya hụtara ịmamma anaapụghị ịkọwa mgbe ekpugheere ya "nwayi ahu anālu ọhu, bu nwunye Nwa-aturu ahu" (Nkpughe 21:9). Ohere a nke ịbụ Nwanyị anaalụ ọhụụ na onyenketa, dịịrị ndị niile agbapụtara bụ́ Nzukọ nke Chineke! Ị̀ pụrụ ịjụ ọkpọkpọ̀òkù nke Mmụọ Nsọ -- nke náakpọ gị ịbụ Nwanyi anaalụọhụụ nke Kraist?

### Imezu Ihe Achọrọ

"Ọ me ngwa, si n'ubu-ya zie ite-ya, sị Ñua, ọzọ kwa, kamel-i ka m'gēme ka ha ñua." Ọ bụ́ náání omume ntakịrị, ma ọ naegosi ụdị obi nke anaadịghị ahụ mgbe dum -- inwe njikere ime ihe agwara mmadụ ka o mee; nke ka nke, ijéozi karịa ihe elere mmadụ anya ime, mmadụ iji aka ya rọpụta ijéozi.

"Kamel-i ka m'gēsere kwa miri." Ugbò anọ edepụtara ụdị okwu a n'ebe ọgụgụ a naegosi mkpà ọ dị bụ́ okwu Chineke náekwu banyere "madu ijikere ime ọbụná karịa ihe asị ya mee." Ndịkom ahụ anaagbara ezi ama n'ọtụtụ ibé akwụkwọ nke Okwu Chineke bụ ndị ahụ jiri onweha chụọ̀jà wee mee ihe dị ukwuu karịa nke agwara ha mee.

**Onyinye Sitere N'Elu**

Mgbe Mmụọ Chineke hụtara ụdị obi dị otú a, lee otú ọ naatọ Ya ụtọ iyikwasị ha amara niile nke sitere n'eluigwe, nke bụ ụdị ihe dị óké ọnụahịa, ọlaaka na ọlantị dị icheiche nke Elieza nyere Rebeka. Amara niile nke Mmụọ Nsọ nke náezo dịka igirigi nke Eluigwe bụ ihe ịchọmma nke Nwanyị ahụ anaalụọhụụ nke Kraist. Ha bụ ihe niile ahụ dị óké ọnụ nke Chineke naenye; ọ dịghị ihe náeme ka mkpụrụobi maamma dịka Mmụọ nke Chineke. Igbu maramara nke iru ya naenwupụta ebube ahụ nke náabata ná mkpụrụobi nke azọpụtaworo, doo kwa nsọ nke náaga n'iru rue mgbe Chineke wụkwasịrị mkpụrụobi ahụ mmiri òzùzò nke Ikpeazụ.

Nwanne nwoke Rebeka hụrụ na nwanne ya nwanyị ezutewo ihe gbanwere ndụ ya. Ọ hụrụ ịchọmma ahụ, wee nwee mmasị n'ebe onye nke Chineke ahụ nọ. Ụwa aghaghị ịhú, ha gaajụ kwa ajụjụ banyere ihe ahụ náeme ka nwa Chineke náenwuenwu n'ebube Ya.

**Ka Anyị  Mee Ngwa**

"Ha we bilie n'ututu, ọ si, zilagam na nke onyenwem. Ma nwa-nne-ya nwoke na nne-ya siri, Ka nwa-agbọghọ nọnyere ayi ubọchi asa ma-ọbu iri; emesịa o gēje." Leban wee kwere na ihe a sitere n'aka Chineke na ya onweya apụghị kwa ikwu iheọjọọ ma ọ bụ iheọma banyere ya, ya mere ọ gbalịrị ime ka ọ ghara ime ngwangwa. Ọtụtụ mgbe, ụmụmmadụ naekwenye na Oziọma sitere na Chineke, náekwenye kwa na ihe ụfọdụ bụ́ ihe ha kwesịrị ime, ma ha naachọ ka ha nọọ ọdụ ntakịrị tupu ha emee ya. Nke a bụ otù nime aghụghọ nke ekwensu mgbe ọ matara na ya apụghị ime ka ụmụmmadụ gọnarị ọlụ aka niile nke Chineke: náání mee ka ha náelefuru ya anya, wee nọgide kwa nime nlefuru anya. "Ayi onwe-ayi gēsi aña gbanari, ma ọ buru na ayi lefuru oké nzọpụta di otú a anya?" (Ndi Hibru 2:3).

"Unu egbochilam" bụ ọkpụkpọòkù nke Mmụọ Nsọ nye ndị niile náachọghị ime ngwa.

**Ònye Gaeje?**

Mgbe ha hụrụ ịnụọkụ n'obi nke orù ahụ, hụ kwa na ha apụghị igbochi ya, Leban na nne ya sịrị "Ayi gākpọ nwa-agbọghọ ahụ juta ya n'ọnu-ya." "Ha we kpọ Rebeka, si ya, Ì gēso nwoke a je? Ọ si, M'gēje."

"Ì gēje?" bụ ajụjụ Mmụọ Nsọ naajụ onye ọ bụla nke bụ onye èzínaụlọ nke Kraist. Oge a bụ oge njikere, ụbọchị inyocha obi, mgbe Mmụọ Nsọ naakpọ Nwanyị anaalụọhụụ ka o soro odudu Ya wee rapụ ịhụn'anya niile nke ụwa (Ndị Filipai 3:7, 8), ka o wee baa nime ụlọ nzuzo nke Onye Kachasị Ihe niile Elu.

"Ì gēso nwoke a je?" -- ọ bụ ezie na ọ pụtara nkewapụ site n'èzínaụlọ nke ahụkarịsịrị n'anya? Ị̀ gaeje n'ụzọ nke ịjụ onwegị na iji obichụaàjà, ọbụná ma ọ pụta ịkpọgide anụarụ n'eluobe, ya na ọchịchọ ya niile, ka Kraist wee bụrụ ihe niile nime ihe niile? Ì jikeere ọ bụghị náání ịnwụọnwụ n'ihi Ya kama ịdịndụ nke iji onwegị chụọàjà kwa ụbọchị, ka ewee gbasaa Oziọma Ya rue nsọtụ niile nke ụwa? Ị̀ naakpado akụ gị n'Eluigwe, ka obi gị wee dị n'ihe niile nke dị n'elu?

Mgbe Mmụọ Nsọ naekpughere gị àkụ̀ niile nke Kraist na àkụ̀ Ya niile n'ebube, ị wee kwue dịka Rebeka, "M'gēje". Ọ bụ ezie na iji Kamel jee ijè n'ụzọ uzùzù nke dị kwa ogologo gaajọ njọ gwụ kwa ike, ma mgbe ị ruru mail ikpeazụ nke ụzọ ahụ, ị wee lepụ anya hụ ubi ahụ n'oge anyasị, ị wee hụta Onye ahụ náalụ gị ọhụụ, ị gaeti mkpu ọñụ, "Hallelujah!"

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị ka orù Abraham gwara Rebeka na èzínaụlọ ya banyere àkụ̀ nke Aisak?
2. Òlee otú Elieza, orù Abraham ji mata mgbe ọ hụrụ nwa agbọghọ ahụ Chineke rọpụtaworo ịbụ nwunye Aisak?
3. Gịnị ka o mere mgbe ọ hụrụ na ya achọtawo onye ahụ anaachọsike?
4. Enyere Rebeka ohere inwe nrọrọ n'okwu ahụ? Ka ọbụ ndịokenye jiri aka ha kpebie ihe ọ gaeme?
5. Ndị èzínaụlọ ahụ chọrọ ka orù ahụ nọnyere ha nwa oge. Òlee ụdị omume o mere banyere nke a?
6. Gịnị bụ ihe kpatara ijé ogologo ijè dị otú a iji nwetara Aisak nwanyị?
7. Ònye ka Rebeka bụ ụdị ya?
8. Ònye ka Aisak bụ ụdị ya?
9. Òlee ihe dị mkpà ka aghọta n'ọbịbịa ha bịaruru n'oge anyasị?
10. Òlee ihe bụ ngọzi dị mkpà enyere Rebeka mgbe ọ naarapụ?